# MWEZUGA MGBAGWỌ ECHICHE N'OLUNDỊ ẸZAA

**Nwaoke, Emmanuel Emeka**
Department of Linguistics and Nigerian Languages,
National Institute for Nigerian Languages Aba
Abia State, Nigeria.
nwaokebest@gmail.com +234-8061109362
**Eze, Adaora Maudline**
Department of Linguistics and Literary Studies,
Ebonyi State University, Abakaliki Ebonyi State, Nigeria
mezeadaora@gmail.com +234-7069585555
**Nwode, Goodluck C.**
Department of Linguistics and Literary Studies,
Ebonyi State University, Abakaliki Ebonyi State, Nigeria
nwodegoodluck@gmail.com +234-8033513534

**Ụmị edemede**
*Nchọcha a zipụtara ụzọ dị iche iche e si egosipụta mgbagwọ echiche na nzikọrịta ozi n'olundị Ẹzaa. Ndị nchọcha bagịdere nchọcha a n'ihi nghọtahie na nsogbu mgbagwọ na-ebute n'etiti mmadụ na ibe ya maọbụ obodo na ibe ya. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka. Atụtu a hụtara asụsụ dịka ụzọ nzikọrịta ozi nke na-ezipụta ọnọdụ/nghọta mmadụ site na nnyocha ụtọasụsụ ọgbaraokwu ndị a tụlere. A tụlegharịrị ihe ndị nchọcha derela banyere isi okwu nchọcha a. Ọ bụ naanị ihe ndị metụtara mwezụga mgbagwọ n'olu Ẹzaa ka e lebara anya. Atụchapụtara mgbagwọ mkpụrụokwu, nke ọgbaraokwu, nke njikọ mkpọaha, nke mkpọpụta na nke atụmatụ okwu dị iche iche ndị a na-ahụta n'olu Ẹzaa ma zipụtakwa ụzọ dị iche iche e si ewezuga ha. Mkpụrụokwu ndị nwere myinsụpe na ụbara echiche bụ ihe ndị na-ebute mgbagwọ mkpụrụokwu ebe etinyeghị akara edemede ebe o kwesiri, njikọ na amaghị onye/ihennọchiaha na-arụga aka nakwa ndịiche echiche agbaala na agbaelu atụmatụ okwu dị iche iche bụ ihe ndị na-ebutekwa mgbagwọ ahịrịokwu. Mgbagwọ mkpọpụta na-apụta ihe mgbe ndokọ abụọ maọbụ karịa nwere otu mkpọpụta mana odide na echiche ha abụghi otu. Iji hụ na e nwere nghọta zuru oke na nzikọrịta ozi maọbụmkparịtaụka ọbụla n'olundị Ẹzaa, nchọcha a gosiri na ọnọdụ a nọ kwuo okwu na mgbakwụnye nnara, mmeju maọbụnkebiahịrị nye ahịrị nwere mgbagwọ so na ụzọ e si ewezuga mgbagwọ echiche.*

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Olundị Ẹzaa, mwezụga mgbagwọ, ụbara echiche na myinsụpe.

## 1.0 Mkpọlite

Ndị Ẹzaa (Ezza) dịka Nwaozuzu (2008) siri dee bụ otu na ndị mejupụtara mgbago ugwu ọdịda anyanwụ nke ala Igbo. Mgbagwọ dịka agwa nke na-apụta ihe n'ọtụtụ asụsụ mba ụwa bụ nke a na-ahụtakwa n'olu Ẹzaa. A na-enwe mgbagwọ echiche mgbe otu mkpụrụokwumaọbụọgbaraokwu nwere ike izipụta echiche abụọ maọbụ karịa. E nwere ụzọ mgbagwọ atọ doro anya: mgbagwọ mkpụrụokwu, mgbagwọ ọgbaraokwu na nke mkpọpụta. Mgbagwọ mkpụrụokwu bụ nke na-emetụta echiche otu mkpụrụokwu ebe mgbagwọ ọgbaraokwu bụ nke na-ezipụta karịa otu echiche nye otu ahịrịokwumaọbụ ndokọ dị iche iche. Mgbagwọ mkpọpụta n'aka nke ọzọ bụ nke na-apụta ihe mgbe ndokọ abụọ maọbụ karịa nwere otu mkpọpụta mana odide na echiche ha abụghi otu. Ụzọ ọzọ

mgbagwọ si apụta ihe nke anaghị edocha anya bụ site n'ahịrị akpaalaokwu ndị na-enwe echiche agbaelu na nke agbaala ha nke na-emekarị ka ha bụrụ ihe mgbagwọju anya nye ndị n'amaghị ihe ekwe kụrụ banyere olundị maọbụ asụsụ a na-atụle.

## 2.0 Usoro nchọcha

Nchọcha a bụ nke ndịzịma. Rasinger (2009) kọwara usoro nchọcha ndịzịma dịka nke na-eleba anya n'agwa, nhazị na mmebe ọgbaraokwu ederede dị iche iche. Nkwi, Nyamongo na Ryan (2001) kwukwara na nchọcha ndịzịma anaghị eleba anya n'ọnụọgụ kama na ọ bụ nke na-atụcha njatụle mkpụrụokwu na ọgbaraokwu dị iche iche nke ọma. Onah na Ovuta (1998) kọwara nkọwasị ndịzịma dịka nke na-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ na-egosi etu e si achịkọ njatụle ya na etu e si agbaso usoro sayensị kwesiri ekwesi inyocha njatụle na ndị e ji mee nchọcha. Ali (2006) kọwara nkọwasị ndịzịma dịka nke na-amụ maka etu e si eji ụfọdụ ndị mmadụ maọbụ ihe dị iche iche were dochite ndị ha na ha nọ n'otu. Nwogu (2015) kwenyere na nkọwasị ndịzịma bụ ịchọpụta ihe dị adị, kọwaa ya ma nye ya echiche kwesiri ekwesi. E mere nchọcha a site n'ịgbaso atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka.

## 2.1 Atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka

Atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka (Role and Reference Grammar) dabara nke ọma na nchọcha a n'ihi na o nyere ndị nchọcha aka ịhazi ma tụchaa ndokọ dị iche iche ebe e nwere mgbagwọ n'olundị Ẹzaa ma gosipụta ụzọ ka mfe e ji ewezụga mgbagwọ ndị ahụ. Bresnan na Kaplan (1982) kwenyere na atụtụ amụmamụ asụsụ ọbụla kwesiri ịbụ ihe a ga-eji tụcha mkpọpụta na echiche ihe a na-ekwu maka ya. Van Valin (2005) dere na mbunuche e ji mepụta atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka bụ maka izipụta ma kọwaa mmekọrịta usoro okwu, amụmechiche na nke amụmamụ asụsụ ndịnọrụ. Ọnọdụ a ga-enye aka mee ka ndị mmadụ ghọta ihe na-ebute mgbagwọ n'olu Ezaa, ụdịdị ha, ụzọ e si ewezụga ha ma tinyekwa ha n'ọrụ.

## 2.1. Mgbagwọ

Faleye na Olaosun (2010) kọwara mgbagwọ dịka ngwa nke dị n'asụsụ mba ụwa niile. Ọ bụ nke na-apụta ihe na ngalaba amụmamụ asụsụ gbasara amụmamụ ụdaasụsụ, mkpụrụokwu, usorookwu maọbụ nke ngalaba amụmechiche. Piantadosi, Tily na Gibson (2011) kwenyekwara na mgbagwọ na-apụta ihe na ngalaba amụmamụ asụsụ niile. Phindane (2016) dere na mkpụrụokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu bụ nke nwere mgbagwojuanya ma ọ bụrụ na o nwere karịa otu echiche. Udemmadu (2012) kọwara mgbagwọ dịka mmekọrịta echiche ebe a na-enwe karịa otu echiche banyere ihe e kwuru.

Little (1983) n'aka nke ya kọwara mgbagwọ dịka ngalaba amụmechiche nke na-ebute mgbanwerịta nghọta echiche; ya bụ mgbe e nwere ka e si nwee mgbanwe echiche n'etiti ihe okwuu bu n'uche na nke ọnụụ ghọtara. Crystal (1997) n'aka nke ya kọwara mgbagwọ dịka mkpụrụokwu maọbụ ahịrịokwu nke na-enye karịa otu echiche. Bussman (1996) sị na a bịa n'asụsụ, mgbagwọ na-arụtụ aka nye ederede maọbụ ekwumekwu ọbụla e nwere ike ịkọwa ma nweta ihe karịrị otu echiche.

N'aka nke Richards na Schmidt (2002), mgbagwọ bụ mkpụrụokwu, ọgbaraokwu maọbụ ahịrịokwu nke nwere karịa otu echiche. Allan (1986) mere ka a mara na okwu ọbụla nwere o pekata mpe otu echiche mana mgbe mkpụrụokwumaọbụ ahịrị ọbụla nwere karịa otu echiche, ihe ọ pụtara bụ na e nwere mgbagwọ na ya bụ okwu. Carnie (2007) nyere ọmụmaatụa iji kọwaa mgbagwọ:

1. The man killed the king with a knife
O kwenyere n'ọmụmaatụ ahụ o nyere bụ nke kwesịrị n'ihi na o nwere karịa otu echiche:
1a. The man used a knife to kill the king – Nwoke ahụ jiri mma magbuo onye eze ahụ.
1b. The king had a knife when the man killed him – Onye eze ahụ jị mma mgbe nwoke ahụ gburu ya.

Hurford na Heasley (1983) kwenyere na mkpụrụokwumaọbụ ọgbaraokwu na-enwe mgbagwọ ma ọ bụrụ na o nwee karịa otu echiche. Ha gakwara n'ihu mee ka a mata na ahịrịokwu bụ nke nwere mgbagwọ mgbe ọ ga-abụ e kwugharịa ya, o nye ahịrịokwu abụọ maọbụ karịa ma a gaghị enwe nke ya na ibe ya nwere otu echiche. Nke a pụtara na mkpụrụokwu maọbụ ọgbaraokwu ọbụla nwere mgbagwọ anaghị enwe otu echiche.

Okpara (2003) hụtara mgbagwọ dịka ihe ọbụla nwere karịa otu echiche maọbụ nke gbagwọjuru anya. Ọ kọwakwara ụzọ mgbagwọ ise nke gụnyere mgbagwọ mkpụrụụdaasụsụ, mgbagwọ mmebeokwu, mgbagwọ ọgbaraokwu, mgbagwọ mkpụrụokwu na mgbagwọ amụmechiche. Ugochukwu (2014) n'aka nke ya zipụtara ụzọ mgbagwọ atọ a: mgbagwọ ụdaasụsụ, mgbagwọ mkpụrụokwuna nke ọgbaraokwu. O kwukwara namkpụrụokwu ndị nwere otu myinsụpe na-ebutekwa mgbagwọ mkpụrụ ụda n'ihi na ha na-enwe otu ụda mana echiche ha anaghị abụ otu. Ọmụmatụ o nyere bụ *ọkwa* nke nwere ike ịpụta 'obere ikwe' maọbụ 'ogo nke mmadụ nọ n'ọrụ maọbụ n'obodo'.

**2.2 Mgbagwọ mkpụrụokwu**
Wasow, Perfors na Baker (2008) dere na e nwere ọtụtụ ihe na-ebute mgbagwọ mkpụrụokwu; ha nyere mkpụrụokwu ndị nwere ụbara echiche na ndị nwere myinsụpe dịka ndị kacha apụta ihe. Ha nyekwara ọmụmaatụ mkpụrụokwu Bekee ndị nwere myinsụpe: 'bank' nke pụtara *ọba ego*maọbụ *akụkụ mmiri*; ọmụmaatụ ọzọ ha nyere bụ 'long' nke pụtara *ogologo*maọbụ *atụmanya.* N'otu aka ahụ, a bịa n'olundịẸzaa, ọ bụkwa ụzọ ihe abụọ ahụ kacha ebute mgbagwọ mkpụrụokwu.

**2.2.1 Mwezụga mgbagwọ mkpụrụokwu nwere ụbara echiche butere**
Blank (1999) dere na ebe mbụ a hụtara ụbara echiche dịka alaka amụmechiche asụsụ bụ na ederede nke Michel Bréal nke afọ 1897. Ọ kọwara ụbara echiche dịka ihe na-arụtụ aka nyemkpụrụokwuọbụla nwere karịa otu echiche. Crystal (1980) kwuru na a bịa n'amụmamụ asụsụ, a na-eji ụbara echiche akọwa mkpụrụokwuọbụla nwere ike ịpụta ihe dị iche iche. Agbedo (2015) kọwara ụbara echiche dịka otu mkpụrụokwu nwere ọtụtụ echiche. Cuyckens na Zawada (2001) dere na Nerlich na Clarke (1997) sị na ụbara echiche bụ ihe e ji akọwa ogogo ihe nọ n'ihi na a na-eji ya akọwa echiche okwu ndị nwere myiri. Ha kwuru na tupu otu mkpụrụokwu enwee ụbara echiche, a ga-enwerịrị otu echiche okwu ahụ na-egosị na mbụ tupu e si na nke ahụ nyewe ya echiche ndị ọzọ.

2. Ọbvụ ya la-ere ire

Nke a nwere mgbagwọ echiche n'Ezaa n'ihi mkpụrụokwu 'ọbvụ' nke nwere ụbara echiche; o nwere ike ịrụga aka nye mkpụrụ ọgwụ e ji agwọ ọrịa, mgbọrọgwụ/mkpa akwụkwọmaọbụ ọtụmọkpọ. Iji wezụga ụdị mgbagwọ a, a ga-ama ebe na ọnọdụ a nọ kwuo okwu ahụ maọbụ a hazigharịa ya dịka ọ dị na:

2a. Ahwịa ọbvụ ya parụ ẹka – Ọ́gwụ̀ ya dị oke ọ́nụ́

2b. Ọ́bvụ̀ ya la-agwọ ehụ ba adụ mma ree– Ọ́gwụ̀ ya na-agwọ ọrịa nke ọma
2ch. Ọbvụ ya la-aṅa mini – Ọtụmọkpọ ya siri ike
3. Anyị ta enwedu manụ

'Manụ' nwere echiche anọ, nke mbụ bụ mmanụ e ji esi nri. Nke abụọ, ude a na-ete n'ahụ, nke atọ, mmanụ ụgbọ ala maọbụ nke ihe ọbụla mmadụ mepụtara na-enyere ndụ aka ebe nke anọ bụ abụba na-adị n'anụ. Nke a mere echiche ahịrị 3 ji pụta na anyị enweghị mmanụ (e ji esi nrị/nke ụgbọ ala dg.) maọbụ na anyị enweghị ude a na-ete n'ahụ maọbụ abụba anụ. Mwezụga mgbagwọ ya ga-adịkwa ka ọ dị na nke 2 n'ihi na ọ bụ ọnọdụ/ebe a nọ kwuo ya maọbụ mgbakwụnye okwu ọzọ ga-eme ka echiche ya doo anya dịka ọ dị na:
3a. Anyị ta enwedu manụ ori ihwe – Anyị enweghị mmanụ nri
3b. Anyị ta enwedu manụ ehuhu – Anyị enweghị ude
3ch. Anyị ta enwedu manụ ụgbọ/moto – Anyị enweghị mmanụ ụgbọ ala

**2.2.2 Mwezụgamgbagwọ mkpụrụokwu nwere myinsụpe butere**
Crystal (1997) kọwara myinsụpe dịka ngalaba amụmechiche nke na-arụtụ aka nyemkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa ndị nwere otu odide. Anagbogu, Mbah na Eme (2001) dere na e nwere ụzọ abụọ e si akọwa myisụpe: site n'ịmata ma mkpụrụokwu a na-ekwu maka ya o nwere karịa otu echiche (ya bụ ụbara echiche) ka ọ bụ mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa ndị nwere otu odide mana echiche ha abụghị otu. Nwala (2004) n'aka nke ya kwadoro ha mgbe o kwuru namkpụrụokwu nwere myinsụpe na-eme ka ndị nwere ụbara echiche si otu ahụ bute mgbagwọ. O kwukwara na e nwere ụzọ myisụpe abụọ: ha bụ myi-ụda na myi-odide. Ọ siri na myi-ụda bụ mkpụrụokwu ndị odide ha na echiche ha dị iche iche mana mkpọpụta ha bụ otu; ebe ndị nke nwere myi-odide bụ ndị odide ha bụ otu mana ụda ha na echiche ha dị iche iche.

Ederede ndị a gosiri na myinsụpe na-apụta ihe n'asụsụ mgbe mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa nwere otu nsụpe mana echiche ndị ha na-ezipụta enweghị myiri. Iji maa atụ, ka anyị zipụta ahịrị ebe myinsụpe butere mgbagwọ n'olundịẸzaa.
4. O kweru nkwa

N'olu Ẹzaa, ahịrị 4 nwere ike ịpụta 'Ọ rụrụ ịgba' maọbụ O' kwuru ihe ọ ga-emere mmadụ/mmụọ/obodo.' Ọnodụ a nọ kwuo ya ga-enye aka wezụga mgbagwọ. Ọzọkwa, ọ bụrụ na a gbakwụnye ya mkpụrụokwumaọbụnkebiahịrị ọ ga-emekwa ka echiche ya kwụrụ chịm dịka ọ dị na:
4a. O kweru nkwa okpoga/peni – O kwere nkwa ego
4b. O kweru nkwa anyị la-egude kụa ebvu- Ọ rụrụ ịgba anyị ga-eji kụọ egwu
5. O gburu ẹnwụ – O gburu anwụnta/ aṅụ

Nke a nwere echiche abụọ maka na 'enwụ' n'olu Ẹzaa nwere ike ịbụ 'aṅụ' maọbụ 'anwụnta'. Nke a mere iji wezụga mgbagwọ na ya, e nwekwara ike ịgbakwụnyere ya nkebi ahịri dịka ọ dị na:
5a. O gburu ẹnwụ la-eme te ọ taa ya - O gburu anwụ nta chọrọ ịta ya
5b. O gburu ẹnwụ la-eme te ọ gbaa ya - O gburu aṅụ chọrọ ịgba ya
6. Nwoke ono la-agba mkpu

N'Ẹzaa, ebe a na-edowe ede ka a na-akpọ mkpu dịka ebe a na-echekwaba ji bụ ọba. Mkpu nwekwara ike ịputa mkpu e ji ọnụ tie maọbụ nnyemaka ebe ihe ọdachị bịara. Ihe ọzọ mkpu na-

arụga aka bụ ihena-ata ihe (dịka osisi) maọbụ akụmkpu a na-ata ata. Ahịrị a nwere mgbagwo n'ihi na ọ na-arụtụ aka nye ọtụtụ echiche ndị nke a ga-ewezuganwu site n'ịgbakwụnye mmeju maọbụ nnara dịka ọ dị na ndị a:

6a. Nwoke ono la-agba mkpu nkashị - Nwoke ahụ na-arụ ọba ede

6b.Nwoke ono la-agbajerụ onye ihwe bịarụ mkpu - Nwoke ahụ na-enyere ndị ọdachị bịara aka

6ch. Nwoke ono la-agba eka mkpu shi etsu - Nwoke ahụ na-agbachi ebe mkpu si efepụta.

### 2.2.3 Mwezụga mgbagwọ nnọchiaha butere

Nke a bụ ụdị mgbagwọ na-apụta ihe n'ihi amaghị onye maọbụ ihe nnọchiaha dị n'ahịrịokwu na-arụga aka. Lee ọmụmaatụ:

7. Nwaele sụrụ le ọ bịawa – Nwaele sịrị na ọ na-abịa

A bịa n'ahịrị 7, 'ọ' bụ nke nwere ike ịrụga aka nye Nwaele maọbụ onye ọzọ sikwa otu ahụ bute mgbagwọ echiche. Iji wezụga mgbagwọ ma ọ bụrụ na ọ bụghị Nwaele na-abịa, a ga-eji aha onye ahụ na-abịa maọbụ e were nnọchiaha 'ya' dochie 'ọ'ahụ ma ọ bụrụ na ọ bụ Nwaele na-abịa dịka ọ dị na:

7a. Nwaele sụrụ le Akam la-abịawa – Nwaele sịrị na Akam na-abịa

7b. Nwaele sụrụ le ya bịawa – Nwaele sịrị na ya na-abịa

8. O bu ya ebu

Ahịrị 8 nwere mgbagwọ n'ihi na nnochiaha 'ya' dị n'ahịrị ahụ bụ nke amaghị ihe ọ na-arụtụ aka nke a mere o ji bụrụ nke nwere ike ịna ekwu na ọ na-ego ndị ọrụ maọbụ ebe ihe ebe. Iji wezụga mgbagwọ ahụ, a ga-akpọpụta ihe 'ya' ahụ na-arụtụ aka n'ahịrịokwudịka ọ dị na:

8a. O bu ozhi ebu – Ọ na-ego ndị ọrụ ngo

8b. O bu anụ ebu – Ọ na-ebe anụ ebe

## 2.3 Mwezụga mgbagwọ ọgbaraokwubutere

Mgbagwọ ọgbaraokwu na-apụta ihe n'olundịẸzaan'ụdị mgbagwọ nkebiokwu, nkenkebiahịrịna nke ahịrịokwu dum. A bịa n'ahịrịokwu, e nwekwara ndị njikọ na-ebute.

### 2.3.1 Mwezụga mgbagwọ nkebiokwu butere

9. Nwanga tarụ anụ madzụ - Nwanga tara anụ mmadụ

Nkebiokwu butere mgbagwọ n'ahịrịokwu 9 bụ nkebiokwu mkpọaha 'anụ madzụ - anụ mmadụ'. Ahịrị ahụ nwere ike ịpụta na onye a na-ekwu maka ya (Nwanga) tara òkè anụ e ketara onye ọzọ maọbụ na ọ tara anụ a bọtara n'ahụ mmadụ. Ụzọ mbụ a ga-esi wezụga mgbagwọ a bụ ma ndị nọ ebe e kwuru okwu ahụ e siri n'echiche ọnọdụ ebe a nọ kwuo ya bụ okwu nweta ezi ebumnuche okwuu. Ọ bụrụgodi na a kpọrọ aha onye Nwanga tara anụ ya dịka 'Nwanga tara anụ Nwizhii', mgbagwọ ahụ ga-adịkwarịị. Ụzọ ọzọ e nwere ike isi wezụga ya bụ ma agbakwụnyere nkebiahịrị nye ahịrịokwu ahụ n'ụdị:

9a. Nwanga tarụ anụ e doberu Nwizhii - Nwanga tara anụ e deweere Nwizhii/mmadụ

**2.3.2 Mwezụga mgbagwọ nkebiahịrịokwu butere**

Mgbe ọbụla e nwere ụdị mgbagwọ a, a na-ewezuga ya site n'ịgbakwụnyere nkebiahịrị ahụ nnara maọbụ mmeju. Ụfọdụ mgbe, a gbakwụnyere ya nnara/mmeju osinachi dịka (nke ghu – *nke gị*) ọ naghị ewezụga mgbagwọ di ka ọ dị na:

10. Je akpụta… (nke ghu) – Je kpụta … (nke gị)
11. Hwe tee … (nke hwe) – Ha tee … (nke ha)

Nkebiahịrịokwu 10 'Je akpụta…' nwere ike nwee karịa otu echiche ma ọ bụrụ na e zipụtaghị nnara na esochi ya. Mana mgbe a gbakwụnyere nnara na ya, ọ ga-enye aka mee ka mgbagwọ bụrụ nke e wezụgara. Ọmụma atụ:

10a. Je akpụta eghu (nke ghu) – Je kpụta ewu (nke gị)
10b. Je akpụta ite (nke ghu) – Je kpụta ite (nke gị)

N'otu aka ahụ, a bịa na 11, e nwekwara ike nwe:

11a. Hwe tee ohwe (nke hwe) – Ha tee ofe (nke ha)
11b. Hwe tee ebvu (nke hwe) – Ha tee egwu (nke ha)

Nke a na-egosi na echiche ngwaa dịka isi sekpụ ntị n'ụdị ahịrịokwu a na-adabere na mmeju maọbụ nnara mejupụtara echiche nkebiahịrị ahụ dịka ọ dị na 10 na 11.

**2.3.2 Mwezụga mgbagwọ ahịrịokwu**

Mgbagwọ ahịrịokwu bụ nke ndị ụfọdụ kpọrọ mgbagwọ ụtọasụsụ. Nke a bụ n'ihi na ụdịdị mgbagwọ a bụ nke n'enweghị mkpụrụokwu nke a ga-ejide dịka mkpatara mgbagwọ ahụ. Mgbagwọ echiche ya na-adabere na mkpụrụokwu niile e ji wube ahịrịokwu. Ka anyị zipụta ahịrịokwu nwere ụdịdị mgbagwọ a n'Ẹzaa.

12. O bu ebu

Nke a nwere ike ịpụta na ihe a na-ekwu maka ya na-ama jijiji maọbụ na onye a na-ekwu maka ya dị gara gara. Ụzọ kachasị mfe e si ewezụga nke a bụ isite n'ọnọdụ ebe a nọ kwuo okwu ahụ ghọta ihe e kwuru maọbụ site n'ịgbakwụnyere ya nkebiahịrị ga-enyekwu nkọwa banyere ihe a na-ekwu dịka ọ dị na:

12a. O bu ebu maka le a ta-akpọdoshidu ya ike - Ọ na-ama jijiji maka na a kpọdosighị ya ike
12b. O bu ebu maka le o rijiri ẹhwọ - Ọ dị gara gara maka na o rijuru afọ

**2.3.4 Mwezụga mgbagwọ njikọ butere**

Njikọ bụ otu n'ime nkeji asụsụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ mkpụrụokwu e ji ejikọ mkpụrụokwumaọbụ ọgbaraokwuna ibe ya ọ́nụ́ mgbe anyị na-ede maọbụ asụ asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a mere a kara iji were kọwaa mgbagwọ njikọ butere dịka nke mkpụrụokwu mana anyị hụtara ya dịka nke ọgbaraokwu n'ihi ụdịdị na ọnọdụ ya n'ahịrịokwu ebe ọ na-ebute mgbagwọju anya. Ugbu a a ga-atụchapụta ahịrị ndị nwere mgbagwọ n'ihi ọrụ njikọ rụrụ.

13. Nene Ụka le Chiọma jeru afwịa – Nne Ụka na Chiọma jere ahịa

Mgbagwọ pụtara ihe n'ahịrịokwu a n'ihi na a maghị ma onye a na-ekwu maka ya ọ bụ naanị Ụka bụ nwa ya ka ọ bụ Ụka na Chiọma bụ ụmụ ya. Ọ bụrụ na ọ bụ nne naanị Ụka, ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ mmadụ abụọ jere ahịa, mana ọ bụrụ na ọ bụ nne ha abụọ, ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ naanị otu onye

(nne ha) jere ahịa. Ihe butere mgbagwọ n'ahịrịokwu a bụ aghọtaghị ọrụ njikọ rụrụ na ya. Iji wezụga mgbagwọ ahụ, a ga ahazigharị ahịrịokwu ahụ mgbe a chọrọ ka a ghọta na ọ bụ naanị Ụka bụ nwa be nwaanyị ahụ gaara ahịadịka ọ dị na 13a.

13a. Chiọma le nene Ụka jeru afwịa –Chiọma na nne Ụka jere ahịa

13b. Nwaanyị gaara ahịa bụ nne Chiọma na Ụka

Nhazigharị pụtara ihe na 13b bụ nke gosipụtara na nwaanyị ahụ gara ahịa bụ nne Chiọma na Ụka.

**2.4 Mwezụga mgbagwọ mkpọpụta butere**

Mgbagwọ mkpọpụta bụ nke na-apụta ihe na mkpọpụta ekwumekwu. Ọgbara okwu ndị nwere ụdị mgbagwọ a bụ ndị nke odide ha na echiche ha dị iche iche mana mkpọpụta ha bụ otu. Nwaoke (2019) nyere ọmụmaatụ 14 na 15 n'olundị Ezaa:

14a. ótùbo dábàrụ lè míní `m kpúfùtá yà – Otubo dabara na mmiri m kpụpụta ya

14b. ótùbo dábàrụ lè míní `mkpú fùtá yà – Otubo dabara na mmiri ibi pụta ya

15a. Agwọ tanarụ ghụ – Agwọ ataala gị

15b. A gwọtanarụ ghụ – A gwọtaala gị

Mkpọpụta 14a na 14b bụ otu ebe mkpọpụta 15a na 15b bụkwa otu n'otu aka ahụ mana e nweghị nke ya na ibe ya nwere otu edide, ndokọ maọbụ echiche n'agbanyeghị na mkpọpụta ha bụ otu. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a ka a na-ahụta ebe e nwere mgbagwo mkpọpụta. Ụdị mgbagwọ a anaghị ebutakarị nsogbu nghọtahie ahịrị mgbagwọ na-eweta n'ihi na ahịrị ndị nwere myiri mkpọpụta na-apụtakarị ihe n'ọnọdụ dị iche iche; ọzọkwa ndịiche echiche ha na-ezipụta na mkpalite ha ezuola iwezụga ha.

**2.5 Mwezụga mgbagwọ atụmatụokwu**

Atụmatụokwu bụ asụsụ nghọta ya miri emi; ọ na-enwe echiche agbaelu nwekwaa nke miri emi. Echiche agbaelu ya bụ nke a na-enweta na nkọwa ya dịka Chi si kee ya ebe echiche miri emi ya bụ nke nkọwa zuru oke. Nwaoke (2019) zipụtara ụzọ dị iche iche atụmatụokwu si apụta ihe n'olundị Ẹzaa ndị gụnyere mbụrụ, akpaalaokwu, aha ọnọchị, egbe okwu na ilu. Mgbe ọbụla a na-eme ntụcha banyere echiche atụmatụokwu, ebe a na-elekwasị anya ịchọpụta ma o nwere mgbagwọ bụ na echche ya miri emi dịka asụsụ na omenaala Igbo si dị.

**Mbụrụ.** Mbụrụ bụ atụmatụokwu na-egosị na ihe abụọ a na-ekwu maka ha bụ otu ihe kpọm kwem. Ọmụmaatụ:

16. Imoha bụ agwara – Imoha bụ ụdọ ọkụ

Nke a nwere ike ịpụta na Imoha siri ike maọbụ na Imoha dị gaara gaara. Ọnọdụ a nọ kwuo ya bụ nke na-ezipụta ezi echiche okwuu.

**Akpaalaokwu**. Akpaalaokwu bụ okwu amamihe ndị Igbo ji eme ka ederede ha maọbụ okwu ha maa mma. Ọ bụ ihe chọrọ echiche miri emi tupu a nghọta ya. Ọmụma atụ:

17.Ọbọchị ọkpa ya le alị ta-atụdụ ekwege – Ikiti ụkwụ na ala anaghị ama aka

Nke a nwekwara mgbagwọ n'ihi na echiche ya miri emi gụnyere:

17a. Mmadụ anaghị ama onye karịrị ya aka n'ihu

17b. Ugwu bụ nkwanye nkwanye

Mwezụga mgbagwọ echiche miiri emi ya na-agbadokwa ụkwụ n'ọnọdụ a nọ kwuo ya nakwa amamihe ndị a na-agwa nwere n'ihi na ọtụtụ ka a kpọrọ mana ole n'ole ka a họọrọ.

**Aha ọnọchị**. Aha ọnọchị bụ atụmatụ okwu nke a na-eji edochi aha ihe. A bịa n'olundịẸzaa, e nwere ahịrị ole na ole ebe aha ọnọchị pụtara ihe. Nwaoke (2019) nyere ọmụmaatụ 18 iji kwado nke a:

18. Ọ-ọ waa ndụ ọchị mkpụrụ le-eru efwi - Ọọ bụzị ndị ji mkpara na-achụ ehi

Ọ gara n'ihu kwuo na:

> Aha ọnọchị dị n'ahịrị a bụ 'ndụ ọchị mkpụrụ' ya bụ 'ndị ji mkpara' nke pụtara ndị okenye... a na-eji mkparadịka aha ọnọchi nye ndị okenye ndị ji ya akwado onwe ha mgbe ha na-aga ije.

Ka ọ dị tata, ndị ntorobịa na-achụ nta nakwa ndị nke na-achụ ehi na ụmụ anụmanụ ndị ọzọ na-ejikwa mkpara enyere onwe ha aka. Mana ndị a mara dịka ndị mkpara bụ ndị okenye.

**Egbe okwu.** Nke a na-eme ka ihe a na-ekwu maka ya dịka ọ dị mkpa karịa etu ọ dị n'ụwa a. (kọwaa egbeokwu ka nghọta ha pụta ezigbo ihe. Ikwu ihe ka o buo ibu karịa ka ọ dị)

19. Ụtsụlọ bụ o ji ishi ka ụnwụ nnaji – Ụsụlọ bụ o ji isi karịa ụmụ nna

Echiche ndị nke a pụrụ izipụta gụnyere na o nwere amamihe/ ume ọrụ karịa ụmụ nna ya, maọbụ na o nweghi nrubeisi ebe ha nọ maọbụ na ọ ka ha jide akụnaụba. Ụzọ e si ewezụgakwa mgbagwọ a bụ site n'ịmata ọnọdụ a nọ kwuo okwu ahụ nakwa nhazigharị ahịrị ahụ ma kpọ okwu aha dịka ọ dị n'ahịrịokwu ndị a:

19a. Ụtsụlọ nweru ike ọrụ karịa ụnwụ nna ya– Ụsụlọ nwere ume ọrụ karịa ụwụ (ụmụnna) nna ya

19b. Ụtsụlọ la-emeru ụnwụ nna ya ishi ike – Ụsụlọ anaghị enwe nrube isi ebe (ọ bụ ụmụnna?) ya nọ.

19ch. Ụtsụlọ nweru ihwe karịa ụnwụ nna – Ụsụlọ nwere akụnaụba karịa ụmụnna ya

19d. Ụtsụlọ nweru uche karịa ụnwụ nna ya– Ụsụlọ nwere amamihe karịa ụmụnna ya

**Mgbagwọ ilu.**Ọzọ dịka ibe ya bụ mgbagwọ ilu. Ọkafọ na Ewelụkwa (2012) kọwara ilu dịkaahịrịokwu nke nwere echiche dị omimi na-agba onye obere amamihe gharị ma na-acha onye amamihe abụghị onye Igbo baa. Lee ọmụmaatụ:

20. Nshi la-eshije onye nyịrụ ya – Nsi na-eyi onye nyụrụ ya

Nke a nwere ọtụtụ echiche n'ihi na a hazigherịa ya ọ ga-aputa ihe ndị a:

20a. Nshi la-adụje gọ onye nyịrụ ya – Nsi na-adịka onye nyụrụ ya

20b. Ihwe onye la-eri beenụ ọ nyị - Ihe onye na-eri ka ọ na-anyụ

20ch.Nwata ọbụle la-adụje/la-emeje gọ onye nwụrụ ya – Nwata ọbụla na-adị/na-eme ka onye mụrụ ya

Mwezụga mgbagwọ ilu okwu n'olundị Ezaa bụkwa nke dị ire site n'ọnọdụ a nọ kwuo okwu nakwa mgbakwụnye mkpụrụokwu maọbụ nkebiahịrịokwu ọzọ etu ọ dị na mwezụga mgbagwọ atụmatụ okwu ndị ọzọ anyị tụlere.

**Nchikọta na mmechi**

Nchọcha a bụ mwezụga mgbagwọ echiche na nzikọrịta ozi n'olundị Ẹzaa bụ nke a nọrọ na ya zipụta ihe mgbagwọ echiche pụtara ma zipụtakwa ụdịdị ha nakwa ụzọ ndị e si ewezụga ha ịhụ na ebumnuche nzikọrịta ozi ọbụla bụ nke e nwetara maka ịkwalite udo n'etiti mmadụ/obodo na ibe. A gbasoro atụtụ ụtọasụsụ ọrụ na nrụtụmaka n'ihi na ọ na-ahụtara asụsụ dịka ụzọ nzikọrịta ozi nke na-ezipụta ọnọdụ/nghọta mmadụ site inye ezi nnyocha nye ụtọasụsụndokọ ọbụla dika anyị siri mee na nke a. Nchọcha a chọpụtara ma tụlekọrịta mgbagwọ mkpụrụokwu, ọgbaraokwu na atụmatụ okwu dị iche iche na-ebute n'olundị Ẹzaa ma zipụtakwa ụzọ dị iche iche e si ewezụga ha. Myinsụpe, ụbara echiche na nnọchiaha bụ mkpụrụokwu ndị na-ebute mgbagwọ mkpụrụokwu n'ahịrịokwu Ezaa; a na-ewezuga ụdịdị mgbagwọ ahụ site na mgbakwụnye mkpụrụokwu maọbụ ọgbaraokwu dị iche iche nakwa site na nhazigharị ahịrịokwu ndị ahụ. Mgbagwọ ọgbaraokwu bụ nke nkebiokwu, nkebiahịrị na njikọ na-ebute. E nwekwara ike iwezuga ya site na nhazigharị na mgbakwụnye mkpụrụokwu maọbụ ọgbaraokwu dị iche iche. Mgbagwọ mkpọpụta na-apụta ihe mgbe ọgbaraokwu abụọ maọbụ karịa nwere otu mkpọpụta mana odide na echiche ha abụghi otu. Mwezụga ya dịtụ mfe n'ihina ahịrị abụọ nwere otu mkpọpụta anaghị apụtakarị ihe n'otu ọnọdụ. Mgbagwọ atụmatụokwu n'aka nke ya bụ nke a na-ewezụga site n'ime ka echiche miri emi ya pụta ihe.

**Edensibịa**


Agbedo, C.U. (2015). General linguistics. An introductory reader: Nsukka: ACE Resources Konsult.

Ali, A. (2006). Conducting research in education and social sciences. Enugu: Tashiwa

Allan, K. (1986). Linguistics meaning. London: Faber and Faber Ltd.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2001). Introduction to linguistics. Awka: J.F.C. Ltd.

Blank, A. (1999): Polysemy in the lexicon. Na Regine Eckardt & Klaus von Heusinger (ohz.) Meaning change – Meaning variation. Workshop held at Konstanz, Feb. 1999, Vol. I; 11-29. http://ling.uni-konstanz.de/pages/publ/PDF/ap106/ap106_03.pdf

Bréal, M. (1897): Essai de sémantique. Science des significations. Paris: Hachette.

Bresnan, J. & Kaplan, R. (1982) Lexical-Functional Grammar: A formal system for grammatical representation. In J. Bresnan (ed.), The Mental Representation of GrammaticalRelations, 173-281. Cambridge, MA: MIT Press.

Bussman, H. (1996). Rotuledge dictionary of language and linguistics. London: Rotuledge

Carnie, A. (2007). Syntax: A generative introduction. Oxford: Blackwell.

Crystal, D. (1980). A first dictionary of linguistics and phonetics. Oxford: Basil Blackwell Ltd.

Crystal, D. (1997). A dictionary of linguistics and phonetics (nhz.4). Oxford: Blackwell.

Cuyckens, H. & Zawada, B. (2001). Polysemy in cognitive linguistics. Amsterdam/Philadelphia: John Benjamin Publishing Company.

Faleye, J. O. & Olaosun, I. E. (2010). The challenges of English homographic words to communication among Nigerian undergraduates. Ife studies in English Language, 8 (1) 10 -12

Hurford, J. & Heasley, B. (1983). Semantics: A course book. Cambridge: Cambridge University Press.

Nkwi, P., Nyamongo, I. & Ran, G. (2001). Field research into socio-cultural issues: Methodological guidelines. Yaounde International Centre for Applied Social Sciences, Research and Training/UNFPA

Nwala, M.A. (2004). Introduction to linguistics: A first course. Abakaliki: Wisdom Publication Ltd.

Nwaoke, E. E. (2019) Mgbagwọ na ụbara echiche n'olundị Ẹzaa. Nchọcha M.A. na Mahadum Steeti Ebọnyị, Abakaliki.

Nwaozuzu, G. (2008). Dialects of the Igbo language. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nworgu, B. G. (2015). Educational research: Basic Issues & Methodology 3rd ed. Nsukka: University Trust Publication.

Okafọ, C. & Ewelụkwa, U. (2012). Nhazi asụsụ Igbo maka ule sekọndịrị na koleji. Onitsha: A. C. Global Pulishers

Okpara, C. O. (2003). Topical Issues in language and communication. Enugu: Tinks Graphics Publishers

Onah, P. C. &Ovute A. O. (1998). A handbook on educational reseach. Nsukka: A Prize Publisher.

Phindane, P. (2016). Issues of ambiguity in Sesotho: Meaning retreival. Journal of social sciences interdisciplinary reflection of contemporary society. 4 7(2): 10 4-110

Piantadosi, S. T., Tily, H., & Gibson, E. (2011), The communicative function of ambiguity in language. Cognition. doi:10.1016/j.cognition.2011.10.004

Rasinger, S. M. (2009). Qualitative research in linguistics: An introduction. London: Continuum International Publishing Group

Richards, J. & Schmidt, R. (2002). Longman dictionary of language teaching and applied linguistics. (nhz 3). England: Pearson Education Ltd.

Udemmadu, T. (2012). The issue of ambiguity in the Igbo language. An international journal of language, literature and gender studies, 109 -123

Ugochukwu C. N. (2014) Ambiguity in the Igbo language. Journal of modern European languages and literatures (nhz 3) September 2014 pp 171 -182 www.jmel.com.ng/index.php/jmel/article/view/29/29&hl=en-NG&grid=vYJcdzKa

Van Valin, R.D.Jr. (2005). The Syntax-semantics-pragmatics Interface: An Introduction to Role and Reference Grammar. Cambridge: Cambridge University Press.

Wasow, T., Perfors, A., & Baker, D. (2008). The puzzle of ambiguity. Na C. O. Orgun & P. Sells (nhz.) Morphology and the web of grammar: Essays in memory of Steven G. Lapointe. Ihu 256-282. Standford: CSLI Publications.